


# OZI AHỤ

# KACHA MKPA

# Ị GA-AGỤ

## EZIOKWU: OTU ỤBỌCHỊ Ị GA-ANWỤ

Ebe ọbụla n’ụwa nwere ọgbaili nke na-agba akaebe na ***ndụ gị ga-emecha bịa n’isi njedebe***. Ị dị njikere? Kedụ ihe ga-eme mgbe ị nwụchara?




©2015 Richard Fulton

## MGBE Ị NWỤCHARA

**Ị NWERE IKE KWENYE NA Ị:**

- ***Ga-aga eluigwe maọbụ ọkụ mmụọ***
- ***Ga-abanye n’ala ndị mmụọ***
- ***Ga-abịaghachi dịka anụmanụ maọbụ mmadụ ọzọ***
- ***Ga-akwụsị idi ndụ***

**MAỌBỤ**

- ***Ị maghị ihe ị ga-ekwenye na ya.***

## OTU ỤWA – OKPUKPERECHI DỊ ICHE ICHE

E nwere opekata mpe okpukperechi ruru puku anọ na narị abụọ n’elu ụwa. Ihe a bụ ọtụtụ okpukperechi!

Okpukpere Islam, okwukwe Bahá’i, Buddhism, Hinduism, ya na ọtụtụ okpukperechi ndị otu Kristi bụ obere ọmụmaatụ.

Okpukperechi puku anọ na narị abụọ - **mana ha niile na-akụzi ihe dị iche iche** gbasara etu anyị si bịa ebe a, ihe ebumnuche anyị bụ, ya na ihe ga-eme ma anyị nwụọ.

Ma dị*ka ha na-akụzi ihe dị* *iche iche*...

**HA NIILE AGAGHỊ ABỤ EZIOKWU!** ⟶

**Dịka okpukperechi dị ọtụtụ, ọ dị mfe inwe mgbagwoju anya**




**EBIGHỊ EBI TERE ANYA IKWENYE N'IHE NA-ABUGHI EZIOKWU**

# Ya mere n'ime okpukperechi niile a...

**Okwukwe Ndị Otu Kristi**

**Okwukwe ndị Odinala**

**Okwukwe Ndị Bahá'i**

**Okwukwe Ndị Islam**

**Buddhism**

**Hinduism**




# Olee nke bụ eziokwu?

**N’ihi na ezi Chukwu hụrụ anyị na-anya, Ọ nyela anyị okwu Ya, ka ị wee mara na...**


1. Ndụ gị nwere nghọta na ebumnuche di ebighiebi!
2. Olileanya dịịrị gị nke karịrị ala ili!
3. Onye kere gị hụrụ gị n’anya!
4. Ị ga-akọwara Onye kere gị obibindụ gị!

Mpempe akwụkwọ a ga-eme ka ị mụta ihe banyere Chukwu site n’okwu Ya, ka ị wee mara etu ị ga-esi mezuo ebumnuche gi n’elu ụwa a, merie ike ala ili, ma bụrụ onye Chukwu nabatara ma ị nwụọ. Biko, ị nwere ike ịgụrụ gawa? Nke a bụ banyere ọdịmma gị nke ndụ ebighị ebi, **matakwa na ebighị ebi tere anya ikwenye n’ihe n’abughi eziokwu!**

## Chukwu agwala mmadụ okwu

Ihe jupụtara ụwa a bụ okpukperechi mmadụ hiwere nke na-ekwekọrịtaghị, ma bụkwa nke ihe mejupụtara ya bụ atụmatụ nke **mmadụ**. Ka anyị kwuwaa ya, naanị ụzọ anyị ga-esi mara nke bụ eziokwu banyere Chukwu bụ ma anyị nụ ya n’ọnụ **Chukwu** n’onwe Ya. Nke a mere anyị ji na-agaghị atụkwasa obi n’atụmatụ mmadụ ma nwee atụmatụ nchepụta ọnatarachi (nke Chukwu nyere) bụ nke anyị ga-atụkwasị obi.



<table>
<tr><th colspan="2">Chukwu agwala mmadụ okwu</th></tr>
<tr>
<td>Akwụkwọ nsọ ndị Jew (nke a kpọrọ Torah, Agba Ochie, dgz.) bụ <u>ezigbo</u> akwụkwọ nke kwupụtara na Chukwu bụ onye dere ya.</td>
<td>Akwụkwọ “nsọ” ndị ọzọ bụ nke sitere <u>n’akwụkwọ nsọ ndị Jew a</u>.*<br><br><br>*Hinduism na okwukwe ndị Bahá’i bụ ngwakọta okpukperechi ndị ọzọ, ya mere ọ bụghị nchepụta ọnatarachi nke mere na etinyeghị ya.</td>
</tr>
</table>

| Otu Akwụkwọ - Ọtụtụ Okpukperechi | |
|---|---|
| Site n'otu akwụkwọ a, akwụkwọ nsọ ndị Jew, ka okpukperechi ndị ọzọ a na-anụ anụ si pụta (ndị kwenyere n'otu ezi Chukwu ahụ nke gosiri mmadụ onwe Ya). ➡ | ✓ Ndị Otu Kristi<br>✓ Judaism<br>✓ Ndị Ụka Katọlik<br>✓ Ndị Ụka Islam<br>✓ Mormonism<br>✓ Ndị Ama Jehova |
| Nsogbu dị na ya bụ, agbanyeghị na okpukerechi ndị a niile bidoro site n'otu akwụkwọ, <u>ha anaghị akụzi otu ihe.</u> Kedụzi etu anyị ga esi amata nke bụ EZIOKWU? Anyị ga-amata nke bụ eziokwu site n'ịmata <u>ezi</u> ozi nke Chukwu ziri anyị n'akwụkwọ Agba Ochie! | |

# Igodo ahụ bụ ịghọta akwụkwọ Agba Ochie

***Ịghọta akwụkwọ Agba Ochie bụ igodo ejị amata nke bụ eziokwu banyere Chukwu, ndụ, nakwa ọnwụ.***



Ka anyị lebanye anya n'ihe **asatọ** dị oke mkpa ọ na-akụzi:

**NKE MBỤ:**

Chukwu ENWEGHỊ NJEDEBE – Chukwu enweghị mbido, O nweghịkwa njedebe. ***"...site na ebighị ebi ruo ebighị ebi, gị onwe-gi bụ Chukwu"*** (Abụọma 90:2).

Chukwu bụ MMỤỌ - **"*Chukwu bụ mmụọ*..."** (Jọn 4:24).

Chukwu ZURU OKE – **"*Onye dị mma ka i bu, na onye na-eme mma*"** (Abụọma 119:68).

# Ịghọta Akwụkwọ Agba Ochie...

**NKE ABỤỌ:** Na mbido, Chukwu kere ụwa, kee igwe, na ihe ndị ọzọ dị ya n’ime. N’ihi na Chukwu zuru oke, ihe niile Chukwu kere dị <u>mma</u>. Chukwu kere otu nwoke (Adam), onye a ga-amụpụta mmadụ niile site na ya. Chukwu hụrụ mmadụ n’anya nke ukwuu.



***“Chukwu lere ihe niile Ọ kere eke, ma hụ na ọ dị mma nke ukwuu”*** (Jenesis 1:31)**.**

# Ịghọta Akwụkwọ Agba Ochie...

**NKE ATỌ:** Chukwu kere mmadụ n'oyiyi nke Ya (Chukwu).

***"Chukwu wee kwuo sị, Ka <u>anyị</u> kee mmadụ n'oyiyi nke <u>anyị</u>..."*** (Jenesis 1:26).

Ị ga chọpụta na Chukwu sị **"Ka <u>anyị</u>."** Chukwu bụ otu Chukwu onye dị n'ime mmadụ atọ: 1) Chukwu Nna, 2) Chukwu Nwa, na 3) Chukwu Mmụọ Nsọ. Chukwu <u>abụghị</u> chi atọ; Ọ bụ otu Chukwu nọ n'ụdị mmadụ atọ. Chukwu bụ atọ n'otu (atọ n'ime otu).

**"Jehova bu Chukwu anyị, Jehova bụ otụ Onyenweanyị..."**

***"Mu onwem bu Jehova, ọ dighi kwa onye ọzọ di; <u>ma ewezuga na'nim ọ digi Chukwu ọ bula di</u>..."*** (Aịzaya 45:5).

# Ịghọta Akwụkwọ Agba Ochie...

N'ihi na Chukwu bụ mmụọ, O nyere anyị mmụọ, ka anyị wee mara Ya ma fee Ya ofufe.

***"Chukwu bụ mmụọ: ya mere ndị niile na-efe ya ga-efe ya ofufe n'ime mmụọ..."*** (Jọn 4:24)***.***

Chukwu nyere:

Osisi – ahụ (iji di ndụ ma too)
Anụmanụ - ahụ na mkpụrụobi (nghota nke onwe)
Mmadụ - ahụ, mkpụrụobi na mmụọ (Ighota Chukwu)

**Chukwu:** bụ mmadụ atọ mejupụtara otu Chukwu (Nna, Nwa na Mmụọ Nsọ).
**Mmadụ:** bụ mpakala atọ mejupụtara otu onye (Ahụ, Mkpụrụobi na Mmụọ).

## Ịghọta Akwụkwọ Agba Ochie...

**NKE ANỌ:** Adam ji iberibe nupụrụ onye kere ya isi, ma kpebie ime uche nke ya na-abụghị uche Chukwu. N'ihi nnupụ isi Adam (nmehie), Chukwu a bụọ ala e jiri kee Adam ọnụ. Nke a buteere Adam ọnwụ. ***"A bụọla ala a ọnụ n'ihi gị... ntụ ka ị bụ, ya mere ntụ ka ị ga-alaghachi"*** (Jenesis 3:17-19)***.***

Ugbu a onye ọbụla na-anwụ, n'ihi na anyị (dịka Adam) emeghewo n'otu aka ahụ.

***"N'ihi nka, dika nmehie si n'aka otu madu ba n'uwa, dika ọnwụ si n'aka nmehie ba kwa; ọnwụ we si otu a gabiga rue madu nile, n'ihi na madu nile mehiere."*** (Ndị Rom 5:12)***.***


# Ịghọta Akwụkwọ Agba Ochie...

**NKE ISE:** Chukwu zuru oke dinma (nsọ), ya mere Ọ naghị anabata ndị niile na-etozughị oke n'ịdịmma na ozuzu oke Ya. Chukwu nyere iwu Ya ka ndị nke Ya nwee ike mata ihe dị mma na ihe ziri ezi. N'ime ihe ndị ọzọ, iwu Chukwu kụziiri anyị ihe anyị kwesịrị ịma:

1. Ejila ihe ọbụla ebutara Chukwu ụzọ.
2. Naanị Chukwu gị ka ị ga-efe ofufe.
3. Hụ Chukwu gị n'anya ma gbaara ya odibo, emetọkwala aha nsọ Ya.
4. Kwanyere Chukwu ugwu dịka onye kere ụwa nakwa onye na-enye ndụ.
5. Sọpụrụ ma kwanyere nne na nna Chukwu nyere anyị ugwu.
6. Emerụkwala onye ọbụla ahụ n'ụzọ ọbụla.
7. Akwala iko ma dobe onwe gị maka di maọbụ nwunye gị.
8. Ezukwala ihe ọbụla.
9. Na-ekwu eziokwu oge niile.
10. Nye ekele maka ihe niile ị nwere, e nwekwala anya ụfụ.

# Ịghọta Akwụkwọ Agba Ochie...

**NKE ISII:** Mgbe Chukwu tụrụ anyị n’ihe ọtụtụ site n’iwu Ya zuru oke, *omume* anyị na *iwu* ya ekwekọghị.





**“...Atuwo gị n’ihe-ọtụtụ, hu na ihe kọrọ n’ime gi”**

(Daniel 5:27 – KJV).

# Ịghọta Akwụkwọ Agba Ochie...

**NKE ASAA:** Ndị niile na emehie (dara mba n’imejupụta iwu Chukwu n’ozuzu oke ya) bụ ndị ajụrụajụ ma bụrụ ndị Chukwu mara ikpe.




***“...mkpụrụobi ahu nke <u>nemehie</u>, <u>ya onwe ya ga-anwụ</u>”*** (Ezikiel 18:4)***.***

# Ịghọta Akwụkwọ Agba Ochie...

**NKE ASATỌ:** N'agbanyeghị nmehie anyị niile, Chukwu ka hụrụ anyị n'anya, ya mere O ji kwe anyị nkwa ihe ịtụnanya. O kwere anyị nkwa na otu ụbọchị Ọ ga-ezite "Onye Nzọpụta", onye ga-ekpochapụ nmehie anyị niile, merie ike ọnwụ, ma mee ka Chukwu nabata anyị!


N'ikwu banyere Onye Nzọpụta a, Akwụkwọ Agba Ochie buru amụma...

***"Ị ga-enwe obi ọmịiko ọzọ na-ebe anyị nọ. Ị ga-emeri mmeru anyị niile. Ị ga-atụfu nmehie anyị niile anyị mere n'ime oke osimiri"*** (Maịka 7:19).

# Ịghọta Akwụkwọ Agba Ochie...

Na 712 BC, Akwụkwọ Agba Ochie kwuru na Onye Nzọpụta a hụrụ anyị n'anya ga-azọpụta anyị na nmehie anyị, site n'iwere nmehie nke anyị dịka nke **Ya** ma kwụọkwa ụgwọ dịịrị nmehie **anyị**.

***"...Ma Jehova emewo ka nmehie anyi niile dakwasi ya"*** (Aịzaya 53:6).





Nmehie

Onye Nzọpụta

***"...mkpụrụobi ahu nke nemehie, ya onwe ya ga-anwụ"***
(Ezikiel 18:4).

# Ịghọta Akwụkwọ Agba Ochie...

N'agbanyeghị na Onye Nzọpụta a dị ịtụnanya ga-anwụ maka nmehie anyị, Ya n'onwe Ya ga-adị **ọcha**. Chukwu kwuru na Onye Nzọpụta a <u>ga-**edobe iwu** Ya ruo n'isi, ma **diekwa ntaramahụhụ** ga-esi na ya apụta maka anyị</u>.




***"N'agbanyeghị na aka ya dị ọcha, ọ ga-anara ntaramahụhụ maka nmehie ndị ọzọ, ka ọtụtụ n'ime ha ghara ịbụ ndị a mara ikpe"*** (Aịzaya 53:11 – CEV)**.**

# Ịghọta Akwụkwọ Agba Ochie...

Tutu ruo mgbe ụbọchị ahụ bụ ọpụrụiche ga-abịa, mgbe a ga-ewere nmehie ndị mmadụ bukwasa n'Onye Nzọpụta ahụ E kwere anyị na nkwa, Chukwu tiiri ndị nke Ya iwu ka ha tụkwasa nmehie ha n'elu **ụmụamụmanụ**.



***"Ọ ga-atụkwasa aka ya abụọ n'isi ewu ahụ, ma kwupụta n'isi ya njọ, nmehie niile... nke ụmụ Izrel, ma si etu ahụ wefee nmehie ndị a n'isi ewu ahụ"*** (Levitikọs 16:21 – GNB).

# Ịghọta Akwụkwọ Agba Ochie...

Ebe ọ bụ na-esila n'ụzọ dị etu a tụkwasa nmehie ha n'elu anụmanụ ahụ dị ọcha, **anụmanụ** ndị ahụ (ọmt. atụrụ, ewu) ga-abụzi ihe a ga-egbu (n'ụdị ịtụ aja), ma ***ha*** ga-agba ọbara ma nwụchitere ndị **mmehie** ahụ.




***"...ndụ nke anụ ahụ dị n'ọbara ya; ma enyela m ya unu n'elu ebe ntụaja iji wepụ mmehie unu..."***

*(Levitikọs 17:11)***.**

# Ịghọta Akwụkwọ Agba Ochie...

Na nkwụghachi, Chukwu naara “idiọcha” ụmụanụmanụ ndị a dịka **mkpuchi** nmehie nke mmadụ. N’ihi mkpuchi a Chukwu ga-ele ndị mmehie a anya ma hụ idiọcha.




***“...a ga-anabata ya n’nọnọdu iji kpuchiri ya nmehie ya”*** (Levitikọs 1:4).

# Ịghọta Akwụkwọ Agba Ochie...

Ịjị **anụmanụ** atụ aja bụ ihe ngosị gosipụtara ụgwọ mmehie nke Chukwu n'ọdịnihu.
Chukwu ga-anabata ọnwụ **ha** na nwaoge ahụ nakwa ịdịọcha ha wee ruo mgbe ọnwụ **Onye Nzọpụta** na ịdịọcha ya ga-eweta **ezi** ụgwọ na mkpuchi nyere nmehie anyị.

| | |
|---|---|
| **ANỤMANỤ =** | **IHE NGOSỊ (Akara)** |
| **ONYE NZỌPỤTA =** | **ỊKWỤ ỤGWỌ (Ọdịdị)** |

***"Maka o kweghị omume ka ọbara oke ehi na ewu kpochapụ mmehie"*** (Hibru 10:4).

Mana onye ka Onye Nzọpụta a ga-abụ?

Olee mmadụ ga-edobe iwu Chukwu n'ozuzu oke?

Ma onye ga-hụ anyị n'anya nke ibu ahụhụ nmehie anyị ma nwụchitere anyị ọnwụ?

**CHUKWU** puru ịme ya! Ee, Nwa Chukwu ka a ga-amụ dịka mmadụ, ka O wee bịa **bie** ndụ na-enweghị nmehie ọbụla maka anyị ma nwụọ dịka onye mmehie iji nọchite anya anyị!

***"N'ihi na a mụụrụ anyị otu nwa, e nyere anyị otu nwa: ike ọchịchị ga-adị ya n'ubu: ma a ga-akpọ aha ya Onye Dị Ịtụnanya, Onye Ndụmọdụ, Chukwu dị ike, Nna dị ebighị ebi, Eze nke Udo"***

(Aịzaya 9:6).

# Ịghọta Akwụkwọ Agba Ochie...

Na mmechi nke Akwụkwọ Agba Ochie (430 BC). Chukwu gwara ndị nke Ya na, tupu Onye Nzọpụta ahụ abịa, Ọ ga-ezite onye ozi pụrụ iche ka ọ bịa kwado ndị mmadụ ma mee ka ha dị njikere maka ọbịbịa Ya n'ụwa.

***"Ma lee, aga m ezite onye ozi m, ka ọ bịa dozie ụzọ tupu ọbịbịa m..."*** (Malakaị 3:1).

**Ma mgbe ahụ... ndị mmadụ cheere Onye Nzọpụta ahụ (na onye ozi ya pụrụ iche) ka ha bịa.** ..........>

## ONYE NZỌPỤTA ABỊALA!

Ka afọ narị anọ gachara, nwa agbọghọ na-amaghị nwoke tụụrụ ime Onye Nzọpụta. Ọmụmụ Ya ka a mara ọkwa ya n'ụwa ma detuoro anyị ya n'akwụkwọ Agba Ọhụrụ.

***"Ma ọ ga-amụpụtara unu nwa nwoke, unu ga-akpọ aha ya Jịsos: <u>maka ọ ga-azọpụta ndị nke ya na mmehie ha</u>"*** (Matiu 1:21).

***"Ma mmụọ ozi ahụ gwara ha sị... E wetaara m unu ozi ọma nke na-enye ọṅụ... maka taata <u>a mụtarala unu</u> n'obodo David <u>Onye Nzọpụta</u>, <u>onye bụ Kristi Onyenweanyị</u>"*** (Luk 2:10-11).

## Onye Ozi Pụrụ Iche – Jọn Onye Ome Mmiri Chukwu

Jọn onye Baptist (onye ozi pụrụ iche) bịara ozugbo tupu Jịsos iji dọọ aka na ntị maka amamikpe Chukwu na nmehie ma gwakwa ndị niile chọrọ mgbaghara nmehie nke Chukwu na Onye Nzọpụta ahụ na-abịa n'oge na-adịghị anya.

Jọn kọwara na anụmanụ ndị ahụ e ji atụ aja n'agba ochie bụ naanị **ihe ngosị** gosipụtara Onye Nzọpụta, onye, dịka *nwa atụrụ* a ga eji tụọ aja, ga-abụ **ezi** mkpuchi nye nmehie.

***"N'echi ya Jọn ahụ Jịsos... wee kwuo, "Leenụ nwa atụrụ nke Chukwu, onye na-ekpochapụ nmehie nke ụwa!"*** (Jọn 1:29)**.**

## Gịnị Mere Eji Nwee Agba Ochie Na Agba Ọhụrụ?

"Agba" bụ nke na-enyefu ihe mgbe mmadụ **nwụrụ**. Ọ bụ ya mere, mgbe anyị na-edepụta ekpe anyị, anyị na-ekwu sị:

"Nke a bụ ekpe ikpeazụ na **iwu (agba)** m."

AGBA OCHIE: Mgbaghara nmehie nke eji ọnwụ ụmụanụmanụ akwụ ụgwọ ya. ***"...maka na ọ bụ ọbara ahụ na ekpuchi nmehie mkpụrụ obi"*** (Levitikọs 17:11)**.**

AGBA ỌHỤRỤ: Mgbaghara nmehie nke ọnwụ Jịsos kwụrụ *ụgwọ ya n'ozuzu oke*. Jịsos kọwara nke a dịka, ***"... agba nke ọhụrụ bụ nime ọbara m nke a wụsịrị n'ihi unu"***(Luk 22:20)**.**

## JỊSOS – NNUKWU ONYE NNỌCHITEANYA ANYỊ

A <u>mụrụ</u> Jịsos ka ọ bụrụ onye **<u>nnọchiteanya</u>** anyị. Ndụ ụmụanụmanụ enweghị ike ịnọchiteanya mmadụ, mana JỊSOS, **dịka mmadụ**, <u>biri ndụ zuru oke n'idobe iwu Chukwu</u> **<u>n'ihi anyị</u>**.

Akwụkwọ nsọ kwuru na Jịsos ***"... ka a nwara ọnwụnwa <u>oge niile</u> dịka esi nwaa anyị, <u>mana o nweghị nmehie ọbụla</u>"*** (Hibru 4:15)**.**

JỊSOS MERE NKE A...

<u>Ka **ị** wee nwee ike inweta ụgwọ ọrụ maka ndụ **YA**</u>!

## JỊSOS – NNUKWU ONYE NNỌCHITEANYA ANYỊ

Jịsos nwee <u>nwuọ ọnwụ</u> dịka onye <u>nnọchiteanya anyị</u>. Ọnwụ *ụmụanụmanụ* ndị ahụ enweghị ike ịkwụ ụgwọ diịrị mmadụ, mana JỊSOS, **dịka mmadụ**, <u>nwụrụ iji kwuọ ụgwọ nmehie</u> maka **<u>ihi anyị</u>**.

Akwụkwọ nsọ kwuru na Chukwu hụrụ anyị n’anya ebe ọ dị ukwuu na ***“... dịka anyị ka bụ ndị nmehie, Kristi nwụrụ ọnwụ maka anyị”*** (Ndị Rom 5:8)**.**

JỊSOS MERE NKE A...

<u>Ka **ị** wee nwee ike inweta ụgwọ ọrụ maka ọnwụ **YA**!</u>

## JỊSOS – ONYE A JỤRỤ AJỤ MA KPE IKPE ỌNWỤ

N'agbanyeghị na ọtụtụ ndị kwere ma nabata Jịsos, imerime ndị mmadụ jụrụ Ya ajụ, ma kpe ya ikpe ọnwụ site n'ịkpọgbu ya n'obe dịka ndị Roman si eme.


***"Ma ka <u>o bu obe ya</u>, ọ banyere ebe a na-akpọ ebe okpokoro isi, bụkwa nke ndị Hebrew na-akpọ Golgotha: <u>ebe ha kpọgidere ya n'obe</u>"*** (Jọn 19:17-18)***.***

Ọjụjụ ahụ a jụrụ Jịsos bụ nke <u>e kwupụtara n'akwụkwọ Agba Ochie</u>:

**"Ọ bụ onye ndị mmadụ kpọrọ asị ma jụkwa..."** (Aịzaya 53:3)***.***

## JỊSOS – ONYE A KPỌGIDERE N’OBE


Mana Chukwu ga-eji **onwụ Jịsos n’elu obe** wee wetara anyị nnukwu mkpuchi nmehie nke O kwere anyị na nkwa!




***“Mana o meela ka onye ahụ nke namaghị nmehie ọbụla ka ọ bụrụ nmehie n’ọnọdụ anyị; ka anyị onwe anyị bụrụ ndị nwere ezi omume nke Chukwu n’ime Ya”*** (II Ndị Kọrịnt 5:21).

# JỊSOS – ONYE A KPỌGIDERE N’OBE

**Obe** ahụ bụ ebe nlekwasị anya nke nzọpụta anyị, n’ihi na ọnwụ Jịsos nwụru n’elu obe edoziela skeelụ ahụ nhatanha.





Chukwu Nna dunyere Chukwu Nwa ka ọ bịa bie ndụ zuru oke maka anyị ma nwụọ n’elu obe maka nmehie anyị. Site na nrubeisi ya, na ịnwụ maka nmehie anyị, Jịsos emezuola ihe niile iwu Chukwu chọrọ: O digidere ụgwọ iwu ahụ - **ọnwụ**, ma rubeisi nye nnukwu ndokwa ya – ***“Ị ga-eji obi gị niile hụ Onyenweanyị Chukwu gị n’anya... ma i ga-ahụkwa ndị agbataobi gị n’anya dịka onwe gị”*** (Luk 10:27***).***

# JỊSOS – E LIRI YA MA O KULIE N’ỌNWỤ ỌZỌ

Dịka Jịsos nwụchara, E liri ya (dịka otu onye n’ime anyị). Mana, n’ụbọchị nke atọ, **Jịsos kuliri n’ọnwụ** iji merie ike nke ọnwụ maka anyị ma nye anyị olileanya nke gafere ala ili.

***“Ọ nọghị ebe a,***



***o kuliela n’ọnwụ...”*** (Luk 24:6).

***“...opi igwe ahụ ga-ada, ndị niile nwụrụ anwụ ga-ekuli n’ọnwụ na-enweghị atụ ọbụla, anyị niile ga-agbanwe”*** (I Ndị Kọrịnt 15:52).


# JỊSOS – GA-ABỊA Ọ̣ZỌ̣

Jịsos ga-abịa ọzọ otu ụbọchị ikpe ụwa niile ikpe, ma Chukwu na-akpọ mmadụ niile ugbu a ka ha kwado maka amamikpe a, site n'ịtụgharị obi ha n'ebe Chukwu nọ ma nabatakwa Jịsos.


Akwụkwọ nsọ kwuru na Chukwu ***"...tiiri mmadụ niile nọ ebe niile iwu ka ha chegharịa: maka na ọ wepụtala otu ụbọchị, nke ọ ga-eji kpee ụwa ikpe n'ezi omume site na nwoke ahụ bụ onye nke ọ tere mmanụ: nke bụ na o nyeela mmadụ niile nkasiobi, n'ụdị na o sila n'ọnwụ kpọlite ya"*** (Ọlụ Ndị Ozi 17:30-31)**.**

# OKPUKPERECHI DỊ N'ỤWA

Okpukperechi niile dị n'ụwa nwere otu njirimara: N'otu ụdị maọbụ ụdị ọzọ, ha niile na-etinye **GỊ** na skeelụ:





Mana **Oziọma** bụ na: **Obe ahụ emeziela ụzọ** nke Chukwu ga-esi anabata anyị site n'ezi omume Nwa Ya – JỊSOS!




# OLEE ETU AGA ESI MAA GỊ IKPE?

Na **NMEHIE** gị?




MA-ỌBỤ

**N'EZI OMUME** Jịsos?




**MKPEBI AHỤ BỤ NKE GỊ**

## NZỌPỤTA JỊSOS BỤ ONYINYE Ọ NYERE N’EFU

Nzọpụta ahụ nke Jịsos mejupụtaara gị bụ **onyinye ọ nyere gị n’efu**.

***“... ụgwọ ọrụ dịịrị mmehie bụ ọnwụ, mana onyinye nke Chukwu bụ ndụ ebighị ebi site na Jịsos Kristi Onyenweanyị”*** (Ndị Rom 6:23)***.***

Ị gaghị arụ ọrụ ka i nweta onyinye Chukwu: ma ị gaghị arụkwa ọrụ ka i dobe ya. Obe ahụ bụ ọrụ **Jịsos**, ọ bụghị nke gị.

***“N’ihi na ọ bụ amara ka e ji zọpụta gị site n’okwukwe, ma ọ bụghịkwa n’ike nke aka gị, ọ bụ onyinye Chukwu, ọ bụghịkwanụ ọrụ aka gị, ka onye ọbụla ghara ịnya isi”*** (Ndị Efesọs 2:8-9)***.***

## Ị GA-ANABATA ONYINYE CHUKWU?

Chukwu enyela JỊSOS ka e wee **gbaghara** nmehie gị, ma mee ka mmekọ gị na ya bụrụ nke e **weghachiri**.

Ị ga-ekwenye n’oziọma a ma nabata JỊSOS dịka Onye Nwe gị na Onye Nzọpụta gị taa? Ị ga-ekwupụta nmehie gị ma kwenye (tụkwasị obi) n’ọrụ JỊSOS rụụrụ gị n’elu obe, ka e wee kpee gị ikpe site n’ezi omume Jịsos (Nwa Chukwu)? Akwụkwọ nsọ kwuru...

***“Maka Chukwu hụrụ ụwa n’anya nke ukwuu, nke na ọ nyere naanị otu Nwa ya, nke na onye ọbụla kwere na Ya agaghị ala n’iyi, mana ọ ga-enwe ndụ ebighị ebi”*** (Jọn 3:16).

## YA BỤRỤ KWANỤ NA MỤ AJỤ JỊSOS?

Ọ dị mfe, ya bụrụ na ị jụ **Jịsos**, Chukwu ga-ajụ **gị**. Ị ga-anwụ n’ime nmehie gị ma nọọ ebighị ebi n’ime Ọdọ Ọkụ.

N’ụbọchị Amamikpe, akwụkwọ nsọ kwuru na Jịsos

***“...ga-esi n’alaeze ya kpọpụta ihe niile <u>mehiere</u>, na <u>ndị mere ihe rụrụ arụ</u>; ma tụbanye ha n’ime <u>oke ọkụ ahụ</u>: a ga-enwe oke itimkpu na ịta ikikere eze”***

(Matiu 13:41-42)**.**

## NHỌRỌ AHỤ DỊ WERERE

Ndị niile tụkwasara obi na Jịsos ka a ga-azọpụta site n’amamikpe nmehie ebighị ebi nke Chukwu, mana ndị niile na-atụkwasaghị Ya obi dika Onye Nzọpụta ha ka a ga-ama ikpe.

***“Onye ọbụla kwere na Ya agaghị ama ya ikpe, mana onye ọbụla na-ekweghị na Ya abụrụla onye a mara ikpe, n’ihi na o kwenyeghị n’aha nke naanị otu Nwa nke Chukwu...”*** (Jọn 3:18)**.**

## OLEE IHE BỤ MKPEBI GỊ?

Ugbu a nmehie gị ekewaala gị n’ebe Chukwu nọ, mana Chukwu hụrụ gị n’anya, ezi enyi m. Jịsos nyere ndụ Ya n’ihi gị. Ma, ya bụrụgodị na nmehie gị buru ibu ruo n’eluigwe n’onwe ya, Chukwu agbatịala aka Ya n’ebe ịnọ, ma dị njikere *ịgbaghara* gị... dị njikere *ịnabata* gị, ma ya bụrụ na ị dị njikere ịnabata Nwa Ya.

Ị ga-anabata ya ugbu a?

***“Olee etu anyị ga-esi agbalahụ, ma ya bụrụ na anyị eleliạ nnukwu nzọpụta a anya?”*** (Hibru 2:3)**.**

## ANYỊ CHỌRỌ INYERE GỊ AKA!

Ya bụrụ na ị nabatala Jịsos dịka Onye Nzọpụta gị, maọbụ ya bụrụ na ị nwere ajụjụ, anyị chọrọ ịnụ n'aka gị! Anyị chọrọ ị na-aza ajụjụ, ma anyị nwekwara ngwa ndị ga-enyere gị aka ka ị na-eto n'okwukwe ọhụrụ gị n'ime Jesu Kristi.

**Grace Impact Christian Network**
+234 813 767 0158
+234 815 079 0428
Email: chibuezewisdom@gmail.com

Ị na-agbaghari maka enweghi obike nzọputa? www.knowimsaved.com
Maka mbipụta ndị ọzọ, metụrụ: knowimsaved@gmail.com

Ịgụ ihe a ga-ewe gị nkeji iri atọ; ebighị ebi ga-ewe gị ụwatụwa.

Ị ga-ewe nkeji iri atọ iji mara etu ị ga-esi bie ndụ ebighị ebi?

"*Olee uru ọ ga-abara mmadụ ma ya nwetachaa ụwa niile ma tụfuo mkpụrụobi ya*?" (Mak 8:36).